# ỤGWỌỌLỤ NKE OKWUKWE NA ỊNỌGIDESIIKE
## Matiu 15:21-31; Mak 7:31-37
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 96 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "O mewo ihe nile nke-ọma" (Mak 7:37).**

**I Jisọs na Nwanyị Sairo-Finisia ahụ**

1. Jisọs naagafe n'akụkụ nke Taia na Saidon, Matiu 15:21
2. Otù nwanyị onye Mbaọzọ naetiku Ya mkpu maka ebere, Matiu 15:22; Mak 10:47
3. Mkpu ákwá ya ka anaazaghị; ndị náesoụzọ Jisọs naachọ izilaga nwanyị ahụ, Matiu 15:23; Jọn 11:6
4. Jisọs naasị naezitere Ya ijekuru atụrụ furuefu nke ụlọ Israel, Matiu 15:24; 9:36
5. Nwanyị ahụ naakpọ isiala nye Jisọs náarịọ kwa inyeaka, Matiu 15:25
6. Jisọs zara ya na ọ dịgh mma ịnara nri ụmụ tụpụrụ ụmụ nkịta, Matiu 15:26
7. Okwukwe na ịnọgidesiike ya nwetara ụgwọọlụ, Matiu 15:27, 28; Jemes 1:3; I Pita 1:7

**II Jisọs na Nwoke ahụ Onye ntị chiri**

8. Jisọs bịaruru osimiri Galili site n'ụzọ Dekapolis, Mak 7:31
9. Ha kutara otù nwoke ntị chiri náarịọ kwa Jisọs ka Ọ gwọọ ya, Matiu 7:32; Matiu 9:32; Luk 11:14
10. Jisọs naetinye mkpịsịaka Ya ná ntị nwoke ahụ wee metụ kwa ya aka, Mak 7:33, 34; Mak 9:23
11. Ngwangwa ntị ya abụọ wee ghereoghe ire ya wee tọpụ kwa, Mak 7:35; Aisaia 35:5, 6
12. Ìgwè mmadụ ahụ jupụtara n'obi ekele wee sị, "O mewo ihe nile nke ọma, " Mak 7:36, 37

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Nwanyị Sairo-Finisia Ahụ

Anyị naachọpụta na Jisọs jebigara ozi ókè nye ndị Ju n'oge ndụ Ya nime ụwa nke a. Ọ sịrị na eziteghị Ya ma ọbụghị nye atụrụ furuefu nke ụlọ Israel, ma ọ dịghị mgbe O mechiri ntị Ya n'ákwá nke ndị nọ n'ezi mgbe ha bịara náachọ inyeaka. Dịka Ọ "na-aghaghi" ịgabiga n'etiti Sameria otù ụbọchị, anyị naekwere na Ọ ghaghị ịgabiga n'akụkụ ótú nke Taia na Saidon, n'ihi na, ọ dị otù nne nke nọ n'oké nsogbu n'ókèala ahụ. Mmụọ ọjọọ naejisi nwa ya nwanyị ike. N'eziokwu nne ahụ achọworị inyeaka n'ebe niile ọ maara ịnapụta nwa ya nwanyị, ma o nwetaghị inyeaka ọ bụla. Mgbe ọ nụrụ maka ude nke Jisọs na Ọ naagafe site n'ókèala ha, ọ ga ekwuworị n'obi ya sị, "Anamaga ịchọ inyeaka Ya." Olileanya batara n'obi ya na nwa ya nwanyị nwekwara ike inwe arụike. Nsogbu akpọtawo ọtụtụ mkpụrụobi n'ụkwụ Jisọs. Ka anyị nọ náaña ntị n'ịgbaàmà dị icheiche nke ndị Onyenweanyị gbapụtara anaenye n'òfùfènrò anyị dị icheiche, anyị naachọpụta n'ọtụtụ nime ha bịakutere Jisọs náachọ ụzọ ịpụ ná nsogbu niile ha. Ọtụtụ nime ha nọ náenweghị obiụtọ, bụrụ kwa ndị ekwensu kere agbụ̀, dịka nwaagbọghọ ntà nke a dị. Ha chọpụtara na Oziọma nwere otù ụdị ike ahụ ịnapụta n'ụbọchị taa dịka o nwererị na puku arọ abụọ garaaga.

### Ekpere nke Onye Náechègharị

Akpọrọ nwanyị a onye Kenean n'ihi ndị o sitere n'agbụrụ ha. Mak naakpọ ya onye Sairo-Finisia n'ihi obodo o bi na ya. O kwetara n'ịbụ Chineke nke Jisọs site n'ịkpọ Ya Onyenweanyị. Ọ ghaghị ịmataworị ihe ụfọdụ n'akụkọ banyere ndị Ju, n'ihi na ọ kpọrọ Ya nwa Devid. Ekpere ya adịghị ogologo, ma o tinyere ndụ ya na mkpụrụobi ya niile nime ya – "Merem ebere." Nke ahụ bụ akụkụ kachasị mkpà n'ekpere nke onye mmehie ọ bụla naekpe. Ọ bụ ekpere nke onye náechègharị. Ọ dịghị arapụ iru ná ntị Jisọs. O nwereike ghara ịza otù mgbe ahụ dịka o dị na nke a, ma Ọ gaghị achụpụ obi nke naechègharị maọlị.

### Ị nọgidesiike

Na mbụ Jisọs azaghị ya. Anyị nwereike ghara ịnata ọ̀zịzá mgbe niile n'ebe ekpere niile anyị dị n'otù oge ahụ, ma ịnọgidesiike nke nwanyị a kwesịrị ịgbà anyị ume ka anyị naanọgidesiike. Ndị náesoụzọ Ya chọrọ izilaga ya. Ọtụtụ mgbe ụmụmmadụ adịghị aghọta ihe dị n'obi nke onye náechègharị wee chụpụ kwa ya náenweghị inyeaka. Mmadụ naele ihe anya naahụ́ ma Chineke naele n'obi. Jisọs sirị, "Eziteghm ma-ọbugh ijekuru aturu furu-efu nke ulo Israel" (Matiu 15:24). Nke ahụ pụrụ ime ka ọtụtụ mmadụ daa mbà n'obi; ma n'ihi na Jisọs gwara ya okwu ọ bụla tinyere mkwuwa okwu nime obi ya, n'ihi na nwanyi ahụ bịara nso wee kpọọ isiala nye Ya, náasị "Onye-nwe-ayi, yerem aka." Jisọs zara sị, "Ọ digh nma inara nri umu tupuru umu nkita." Mmadụ ole n'ụwa taa gaabụworị ndị iwe jupụtara n'obi ha ma abaara ha mbá dị otú ahụ, dị kwa ka Neaman onye ekpenta mere, ha gaalaworị n'ọnụma. Ma, site n'obi ya nke náenweghị ịda mbà, ọ sịrị "E, Onye-nwe-ayi: n'ihi na ọbuná umu nkita nēri ufọdu nime irighiri nke nādaputa na table nke ndi-nwe-ha." Okwu ahụ wepụtara otù nime ọtụtụ ọjịjá nke náesi n'ọnụ Onyenweanyị pụta: "Nwayi, okwukwe-gi

di uku: ka emere gi dika ị nāchọ.” Jisọs baara ndị náesoụzọ Ya mbá ọtụtụ mgbe n’ihi okwukwe ntà ha. Ha ahụworị ọtụtụ ọlụebube alụrụ. Nwanyị a bụ́ onye Kenean, nwereike ọ hụbeghị ọlụebube ọ bụla alụworo, ma n’obi ya o kweere na Ọ bụ Ọkpara Chineke nwee kwa ike inyere mmadụ aka. Ọ nọgidesịrịike rue mgbe inyeaka bịara. Ọtụtụ oge ra añaa ka anyị náadịghị enweta ezigbo ebube ahụ gaabụworị nke anyị ọ bụrụ na anyị gaanọgide wee guzosie kwa ike!

**“Guzos’ike, Guzos’ike,**

**Meri ahụ gābị a mgbe nso;**

**Ụbọch’ogologo gēfe,**

**Guzos’ike, Guzos’ike.”**

N’otù oge hour ahụ, emere ka arụ dị nwa ya nwanyị ike. Emezuru ihe edere n’Akwụkwọnsọ n’Aisaia, na Ọ bịara ikechi ọnyá ndị obi ha tiwara etiwa, ikposa ọrịra gwa ndị adọtara n’agha (Aisaia 61:1). Ezigbo okwukwe nke nchègharị dị nime ya naeweta ọ̀zízá mgbe ọ bụla. Okwukwe nke nwanyị a nwere obi dị umeala, na obi dị nwayọ ewetaworo anyị otù nime ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ nke kachasị banyere okwukwe na ịnọgidesiike bụ́ nke anyị nwere nime Akwụkwọnsọ. Ka anyị naaga n’iru naanụ, naamụ kwa Okwu Chineke n’obi ghereoghe, otú ahụ ka okwukwe ga naeto n’obi anyị karị; n’ihi na anyị naeguzo n’okwukwe (2 Ndị Kọrint 1:24), Anyị naeje ije n’okwukwe (2 Ndị Kọrint 5:7), anyị naadị kwa ndụ n’okwukwe (Ndị Galetia 2:20). Nime Akwụkwọ Ndị Hibru anaagwa anyị na okwukwe bụ ndabere nke ihe anaele anya, bụrụ kwa nnwapụta nke ihe anaahụghị anya, maasị kwa na okwukwe adịghị na ọ bụ ihe anaapụghị ime, bụ ime ihe gaatọ Chineke ezi ụtọ. Otù onye ekwuwo na okwukwe dị ntà gaeduba gị nime Eluigwe, ma okwukwe dị ukwuu gaewebata Eluigwe nime gị.

### Ịkpọtara Jisọs Mkpụrụobi

Nwoke ahụ ntị chiri nke edere banyere ya n’iheọ̀mụ̀mụ̀ a enweghịike inyere onweya aka, ọ pụghị kwa ịnụ ka ha nakọ banyere ọlụebube dị icheiche nke Jisọs naalụ. N’ọnọdụ ya nke kwesịrị ebere, ọ maghị na nnapụta dịrị ya. Ọ dịịrị náání ndị maara maka ya ịkpọtara ya Jisọs. Ọtụtụ mmadụ narịa ọrịa, naapụghị kwa inyere onweha aka n’ụbochị taa, naedina n’àkwà nke nhujuanya n’ulọ ha na n’ọtụtụ ụlọọgwụ. Ọ dịghị mgbe ha nụworo na Jisọs nwere ike ọgwọ ọrịa maọbụ na ọ dị nnapụta dịrị ha site n’Ọbara Ya dị óké ọnụ. Ọ bụ ọlụ dịịrị anyị ịkọrọ ha akụkọ ahụ na ịkpọtara ha Jisọs.

### Ike nke Dị na Mmetụ Aka Kraist

Mgbe ha kpọtaara Jisọs nwoke a, ha rịọrọ ka O bikwasị ya aka Ya. Ọ ghaghị ịbụ na ha achọpụtaworị ike nke dị na mmetụ aka Ya. Anyị naagụ na I Ndị-eze 18:46 na “aka JEHOVA we di n’aru Elaija; o we ke iheokíké n’úkwú ya, gba ọsọ n’iru Ehab, rue ebe ị nāba Jezreel.”Ike dị n’aka ahụ nke dịkwasị n’arụ Elaija mere ka o nwee ike gbaa ọsọ karịa ka Ehab pụrụ ịgba n’ụgbọala ya. Mgbe Jisọs tinyere mkpịsịaka Ya ná ntị abụọ nke onye ahụ ntị chiri, metụ kwa ire ya aka wee sị, “Ghere oghe,” ngwa ngwa ntị ya abụọ gheere oghe, ekike ire ya tọpụkwara, o wee kwuzie okwu.

### Ihe Niile Nkeọma

Ibobo nwubigara igwe mmadụ ahụ ókè n’arụ, ma o mere ka okwu a si n’obi ha pụta, “O mewo ihe niile nkeọma.” Mgbe anyị naele anya n’azụ, naeche kwa échìchè banyere ihe niile O meere anyị na ụzọ aka Ya si echebe ma náedú kwa anyị, ọ bụ na anyị apụghị isoro ha kwue sị na “O mewo ihe nile nke-ọma?” Jisọs achọghị ka anụ ùdé aha Ya, O wee gwasie ha ike ka ha ghara ịgwa onye ọ bụla; ma obi ha jupụtara n’ọñụ na ekele, ha wee kwusaa ya karịa, n’ihi na ọ bụ iheọma dị ukwuu nke náekwesịghị izoezò. Mgbe ike nke ọgwụgwọ Ya metụrụ arụ anyị, maọbụ Ọbara Ya efesara n’obi anyị naeme ka mkpụrụobi anyị nke njọ nwere onweha, ọñụ naejupụta obi anyị, ọ naabụ kwa óké iheọma anyị náapụghị ijigide náání anyị. Anyị naachọ ka ndịọzọ mara. Okwu ahụ bụ “Ozi-ọma” pụtara akụkọ ọma, anyị naachọ kwa ịkọrọ ụwa banyere ya.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ebe Jisọs nọ n’oge nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a?
2. Òlee ndị ezitere Jisọs nye?
3. Òlee obodo nwanyị a bịakutere Jisọs sitere?
4. Gịnị ka ị chere bụ akàrà pụtakarịrị ìhè nime akparamaagwa nke nwanyị ahụ?
5. Òlee otú o si nata ụgwọọlụ?
6. Gịnị bụ ọ̀jíjá Jisọs nye ya?
7. Òlee otú Jisọs si gwọọ nwoke ahụ ntị chiri?
8. Ebe ọ naapụghị ịnụ ihe, òlee otú o si mara banyere Jisọs?
9. Gịnị ka igwe mmadụ ahụ kwuru banyere Jisọs mgbe Ọ lụsịrị ọlụebube niile ndịa?